**UKPURU NTUZIAKA MAKA NDI ACHUPURU NA EBE OBIBI HA MA OBU N'OBODO HA.**

**OKWU NKOWA: ATUMATU NA EBUM NA UCHE.**

1. Ukpuru ntuziaka ndi a na emetuta ochicho na nkpa ndi achupuru achupu na-elu uwa nile gbaa gburugburu. Ha na-egosiputa oke ruru onye na nchekwa di nkpa maka odinma na nchekwa ndi mmadu na enyemaka mgbe o bula ha na alaghachi na ebe obibi ha ma o bu ebighari na- ebe ozo na binyekwa n'obodo bido mmekorita mmadu na ibe ya.

2. Maka ebu m na-uche usoro ndia, ndi achupuru na ebe obibi ha bu onye ma o bu ndi amanyere amanye ka ha hapu ebe obibi ha, na tumadi maka ma o bu ka ha gbanahu ihe odachi agha, onodu ihe inyi egwu, mmeto ugwu na oke ruru mmadu ma obu odachi mmadu butara, na ndi na-agafebeghi okeala obodo ozo na elu uwa.

3. Ukpuru ndi a na-egosiputa ma dabakwa nke oma na mmekorita mba na mba na ihe gbasara iwu naachi

oke ruru madu, na-akwa odi mma oha na eze. Ha na-enye ntuziaka nye:

a. Onye nnochi anya ode akwukwo ukwu n'ihe gbasara ndi achupuru na-obodo ha na-ije ozi ya.

b. Obodo ndi kwuru onwe ha mgbe o bula ihe mgbagwoju anya nke ndi achupuru achupu chere ha aka mgba.

c. Otu, ndi mmadu, tinyekwara ochichi ndi ozo di iche iche na mmekorita ha na ndi achupuru na obodo ha.

d. Otu ndi no-na-okpuru ochichi obodo na ndi nooro onwe ha mgbe a na-ekwu ihe gbasara ndi a esitere n'obodo ha chupu chuga ebe ndi ozo

4. Ukpuru ntuziaka ndi a kwesiri ka agbasaa ha nke oma ma tinyekwa ha n'oru dika okwesiri.

## AHIRI NKE MBU – UKPURU EZUMEZU

## UKPURU NKE MBU

1. Ndi a emere ka ha si n'obodo ha gbapu osondu ga-enwe na-uzo juru afo, otu udi oke na nwere onwe dika esi mara ya na ogo mmekorita mba na mba

nakwa iwu na achi obodo ndi kwuru onwe ha dika o si metuta mmadu ndi bi na obodo ndi a Agaghi enwe ihe ikpa oke obula na ihe gbasara oke na nwere onwe nke mmadu n'onodu na ha bu ndi gbapuru oso ndu.

2. Usoro ndi a agaghi abu ihe ngopu ma o-bu ihe mbe nye udi ida iwu obula megide iwu na –achi mba na mba, tumadi n'ihe gbasara igbu ochu, ihe aru megidere odi nma mmadu na nke ibu agha.

**UKPURU NKE ABUO**

1. Ochichi o bula, otu na ndi mmadu ga-eruberiri isi nye usoro ndi a n'agbanyeghi onodu onye ahu n'ihu iwu, a ga eji ya na aru oru na-enweghi ikpa oke obula nke n'ezighi ezi. Irubere isi nye usoro nke agaghi emetuta onodu ochichi o bula, otu na ndi mmadu n' ihu iwu.

2. Agaghi akowa ukpuru ndi a dika ihe na ezughi oke, ihe mmeghari ma obu ihe nkwaru iwu jikotara mba na mba na-okwu oke ruru mmadu, mmeso na odinma mmadu ma-obu oke ruru ndi mmadu na-okpuru iwu n'achi obodo. N'otu akuku ukpuru ndi a agaghi

ewepu ike mmadu o bula nwere icho ma-obu igbaga oso ndu n'obodo ndi ozo na-abughi obodo ya.

**UKPURU NKE ATO**

1. Ochichi obodo obula nwere oru di oke nkpa na ichekwa ndu, na ihu maka odi nma ndi gbara oso ndu gburugburu ebe ha na-achi.

2. Ndi gbara oso ndu nwere ike icho ma nweta nchekwa na enyemaka site n'aka ochichi ndia. Okwesighi ka akpagbuo ha ma obu taa ha ahuhu mgbe obula ha choro ihe ndi a.

**UKPURU NKE ANO**

1. Aga agbaso ukpuru ndi a n'uzo n'agaghi enwe ikpa oke n'udi obula dika agburu, ucha anu ahu mmadu, ma ibu nwoke ma ibu nwanyi, asusu, afo ole onye gbara, nkwaru, aku, ebe amuru mmadu, ma obu ihe obula ozo yitere ndi a.

2. Ufodu ndi gbara oso ndu dika umuaka, tumadi ndi na-enweghi onye ntuzi aka, umu nwanyi di ime ndi nwere umuaka, umu nwanyi ji isi ezi na ulo, ndi nwere

nkwaru na ndi okenye, ga-enwe nchekwa na enyemaka onodu ha choro na nmeso nke ga elekwasi anya na onodu puru iche nke ha no n'ime ya.

## AHIRI NKE ABUO-UKPURU METUTARA NCHEKWA NA-AKA IGBA OSO NDU

### UKPURU NKE ISE

Ochichi na mba nile ama ama n'ihe gbasara mba na mba ga asopuru mahukwa na-asopuru ihe ha kwesiri ime na okpuru iwu na-achi mmekorita mba na mba tinyere oke ruru mmadu na iwu ndi emere maka odi nma ndi mmadu na onodu obula iji gbochie ma gbanahu onodu nwere ike ime ka achupu ndi mmadu site na ebe obibi ha.

### UKPURU NKE ISII

1. Mmadu obula kwesiri ka echekwaa ya n'aka nchusa na ekwesighi ekwesi na ulo ya ma obu gburugburu ebe obibi ya.

2. Imachi nchusa n'ezighi ezi tinyere nchusa;
    a. mgbe o bu ikpa oke si n'ochichi obodo nke e ji ekewa mmadu maka ucha anu ahu ha, di ka

n’obodo South Africa, igbu ochu ma obu ihe ndi yiri nkea nke ebum na uche ha bu ka agbanwee ebe onye si, okpukpere chi ma obu agburu ma o bu onu ogugu ndi ihe a mekutara.

b. na oge agha,nani ma obu nchekwa nke ndi nkiti ma obu ihe di oke mkpa achoro maka ndi agha;

c. na nnukwu oru mmepe obodo nke na-enweghi nkwado n’ihi oke mkpa o di maka odi mma oha na eze.

d. na onodu odachi uwa nani ma nchekwa na odimma ndi nkea metutara choro ka esi na otu ebe buga ha ebe ozo na;

e. Mgbe o bu uzo iji taako ndi mere ihi ojoo ahuhu.

3. Nkwaghari ekwesighi igafe oge kwesiri ekwesi dika onodu obula si choo.

**UKPURU NKE ASAA**

1. Tupu emee mkpebi o bula maka nkwaghari ndi mmadu, ochichi o bula ogbasara ga ahu na agbara mbo ma tulekwaa uzo ndi enwere ike isi gbochie nkwaghari ahu. Mgbe na enweghi uzo ozo a ga e si

mee nkea, a ga agba mbo iji belata nkwaghari na ihe ojoo ndi na eso ya.

2. Ochichi obula nke na-eme nkwaghari a ga eme dika okwesiri, out o ga ekwe ime, ikwadoro ebe obibi ozo maka ndi a na akwaghari akwaghari,na aga eme nkwaghari ahu n'uzo doro anya maka odimma, ihe oriri, ahu ike,na idi ocha ma hukwa na esiteghi na nke a gbasaa ezi na ulo ndi mmadu.

3. O buru na enwee nkwaghari na-uzo ozo na-abughi maka onodu ihe ize ndu na-oge agha ma o bu odachi uwa, ihe ndi a ka-aga eme;
   a. ochichi obodo obula iwu nyere ikikere ga-enwe mkpedi kwadoro iji gbasoo usoro a.
   b. a ga-enew uzo doro anya a ga eji hu na akowaara ndi a na-akwaghari ihe mere eji eme nke a na-kwa uzo aga esi wee mee ya, na ebe o kwesiri ikwu ha ego iti aka n'obi na nkwaghari
   c. tupu akwagharia ndi a, a ga acho ma nweta nkwenye ha, n'amanyeghi ha amanye,

d. ndi o di naka ga-ahu na enwere ezi mgbako aka n'oru, tumadi na-ebe ometutara ndi iyom na-atumatu na-kwa igu maka nkwaghari ha.

e. Na-okwu gbasara iwu obodo, a ga-ahu na ndi o ga-adi n'aka ha bu ndi okwu iwu doro anya nke oma.

f. Ikikere inweta iti aka na-obi na ilebaghari anya na-mkpebi ndi a na-ulo ikpe ndi o di n'aka ga-abu ihe a-ga akwanyere ugwu.

## UKPURU NKE ASATO

Nkwaghari a gaghi abu na-uzo megidere ikikere ibi ndu, ugwu ruru mmadu, nwere onwe na nchekwa ndi nke a metutara.

## UKPURU NKE ITOLU

Ochichi obodo obula nwere oru ichekwa na igbochi ikwaghari ndi nwe obodo, ndi onu-ogugu ha di nta, ndi ngwi ma o bu ndi uwa n'atu n'onu, ndi n'azu umu anumanu na otu ndi ozo nwere otu ihe ma obu ozo ha nwere ike iji ala wee mee.

**NKEJI NKE ATO – UKPURU METUTARA NCHEKWA NA OGE NKWAGHARI**

**UKPURU NKE IRI**

1. Mmadu o bula nwere oke ibi ndu nke iwu kwesiri ikwado nke oma. Okwesighi ka anapu mmadu o bula ndu ya na-uzo na-ekwesighi ekwesi. Ndi nile esitere na-ebe ha bi chusaa ka ekwesiri ichekwa tumadi n’aka;
   a. Igbu-ochu
   b. Igbu mmadu
   c. Ogbugbu odurukoo nke na enweghi isi na iwu.
   d. Ofufu mmadu dika ituru mmadu ikpochi mmadu na-ekwughi ebe akpochiri ya nke nwere ike iyi egwu ma-obu iwepu ndu mmadu.
   e. Iyi egwu ma obu imanye mmadu ime ihe ndi a gasi bu ihe aga egbochi.

2. Iluso ogu ma-obu ibu agha ikpa oke ma o bu imeso ihe ike ndi ozo megide ndi achusara achusa bu ndi na-esoghi ilu ogu ma o bu esoghizi alu ogubu ihe a

egbochiri na oge obula. Ndi achupuru achupu na ebe obibi ha bu ndi a ga echekwa tumadi na-ihe gbasara;

a. ugbara ibu agha ma-obu ihe iyi egwu ndi ozo, tinyere ikewaputa ebe ndi ufodu enwere ike ibu agha megide ndi khiti
b. uko ihe oriri dika uzo isi busoo agha
c. iji ha wee zee atumatu ibu agha, menyere ma ma o bu doghachi usoro ibu agha azu.
d. i bu agha na-ebe obibi ndi agha ma obu nnodu nchere oge; na
e. ili ihe ngbawa na-emeru mmadu ahu n'ala

## UKPURU NKE IRI NA OTU

1. Mmadu o bula nwere ikikere nkwanye ugwu na nke anu ahu, ogugu isi na mmoo ziri ezi.

2. Ndi o bula achusara achusa ka a ga echekwa n'agbanyeghi onodu ha n'aka ihe ndi a;

a. ikwaso mmadu iko nike, ikanye mmadu mma n'ahu, ita mmadu ahuhu, imeso ihe nike, iweda ugwu mmadu ma o bu ita ahuhu, na kwa ihe ndi ozo megidere ugwu mmadu, dika mmeso ihe ike n'onodu na mmadu bu nwoke ma obu nwanyi, ikwaba mmadu na onodu iji ahu ya choo ego na udi mmeto o bula na ezighi ezi.

b. igba ohu na udi ihe yiri ya dika iduba mmadu na ilu di na nwunye n'abughi mmasi ya, iduba umuaka na oru ike na

c. mmeso ike na iyi egwu nke ebu m na uche ya bu igbasa ujo na ima jiji na-etiti ndi gbara osondu.

iyi egwu na mmanye ime ihe ndi a gasi bu ihe a ga egbochi.

**UKPURU NKE IRI NA ABUO**

1. Mmadu o bula nwere oke m nwere onwe na nchekwa zuru oke. Onweghi onye a ga – ejidi ma o bu kpochie ya na uzo n'ezighi ezi n'iwu.

2. Iji nye ikikere mmadu ndi a gbapuru agbapu ike, a gaghi akwaba ha ma-obu kpochie ha n'ulo ntu. O buru na enwe onodu obula mere ka odi nkpa ime nke a ogaghi adi anya karia dika onodu ahu si choo.

3 A ga echekwa ha na - aka njide ma obu nkpochi ikpa oke na onodu na ha bu ndi achupuru achupu

4. Onweghi mgbe ndia achupuru na ebe obibi ha ga abu ndi eji eji.

**UKPURU NKE IRI NA ATO**

1. Onweghi onodu obula ga-eme ka anabata ma zuo umuaka achupuru achupu ma o bu kwadoo ha isonye na ilu ogu.

2. Agaghi akpa oke megide ndi nile achupuru achupu n'iwe n'oru ndi agha ma o bu otu n'ihi nchupu achupuru ha. na tumadi mmeso ojo obula, mmeto ugwu mmadu ma obu omenala iji manye ma obu taa ahuhu n'ihi asopurughi usoro iwe na oru ndi agha bu ihe egbochiri na onodu obula.

## UKPURU NKE IRI NA ANO

1. Onye obula achupuru na ebe obibi ya nwere oke ikpaghari dika osi masi ya, mnwere onwe na oghere ihoro ebe obibi masiri ya.

2. Ha nwere ike ipu ma obu bata kwa na ebe akpokotara ha ma obu ebe ha no onodu nchere oge.

## UKPURU NKE IRI NA ISE

Ndi achupuru na ebe obibi ha nwere;

a. Ike icho ize ndu n'akuku obula nke obodo ha
b. Ike I hapu obodo ya
c. Ike icho igbapu oso ndu na obodo ndi ozo na
d. Ike nchekwa n'aka mmanye ka ha loghachi na-ebe ha si gbapu ma o bu ebe ndu, nchekwa, mnwere onwe ma obu ahu ike ha ga – ano n'ihe ize ndu.

**UKPURU NKE IRI NA ISII**

1. Ndi nile achupuru achupu nwere ike icho ma mata onodu, na ebe umu-nne ha ndi furu efu no.

2. Ndi ono n'aka ga agbambo choputa onodu, na ebe ndi furu efe n'ime ha no, ma sonye otu mba uwa ndi ozo tinyere aka na oru a. Ha ga eme ka umunne ndi a mara nchoputa o bula gbasara ndi a nakwa ihe ha choputara.

3. Ndi ono n'aka ga agba mbo chikota ma choputa ihe foduru na ndi nwuru anwu, gbochie igbutosi ma obu i were akuku ahu ha obula, ma hu na ebughachiri ndi nwe mmadu ndi a ihe foduru na ahu ha ma obu lie ozu ha na uzo di ugwu.

4. Ili ndi a chupuru achupu ga-abu ihe a ga-echekwa ma kwanyere ugwu na-oge obula. Ndi achupuru achupu ga enwe ike iba ebe eliri umunne ha nwuru anwu.

**UKPURU NKE IRI NA ASAA**

1. Mmadu obula kwesiri ka akwanyere ya ugwu ibi ndu ezi na ulo.

2. Iji kwagide ikikere a maka ndi achupuru achupu, ezi na ulo o bula choro ibikota na otu ebe ka aga akwado ime nkea.

3. Ezi na ulo agbasara site na nkposasi ka aga ekpokatakwa onu ngwangwa. A ga ahu na esoro nzo ukwu obula I ji mee nke a osiso tumadi na ebe enwere umuaka. Ndi o di n'aka ga akpali nchoncho obula nke ezi na ulo obula ga eme,kwado ma nyekwa aka na oru ndi na ahu maka odimma oha na eze tinyere aka na oru nkpokota ezi na ulo ndi a.

4. Otu ezi na ulo obula achusara achusa bu ndi ikikere nwere onwe ha ezughi oke maka na etinyere ma o bu kpochibido ha n'ulo ntu nwere ikikere inokota onu.

## UKPURU NKE IRI NA ASATO

1. Ndi nile achupuru achupu nwere ikikere ibi ezi ndu.

2. O pekata mpe, n'agbanyeghi onodu obula na ikpa oke,ndi o di na aka ga enye ndi achupuru achupu ohere inweta;
    a. erimeri ndi di nkpa na ezigbo mmiri onunu.
    b. ezigbo ebe obibi kwesiri ekwesi
    c. uwe na akwa kwesiri na
    d. ihe ndi kwesiri ahu ike na I di ocha.

3. A ga agba mbo puru iche I ji hu na umu nwanyi sonyere na atumatu na nkesa ihe ndia di nkpa.

## UKPURU NKE IRI NA ITOLU

1. Ndi nile nwere mmeru ahu na ndi oria na etiti ndi a achupuru achupu na ndi nwere nkwaru ga enweta na uju na uzo obula ga-ekwe na egbughi oge, nleta ahu ike na ile anya onodu ha choro, n'enweghi ikpa oke nani ma o bu dika onodu ahu ike mmadu si choo. Mgbe odi nkpa, ndi a chupuru achupu ga enwe ohere ihu ma nweta nleta n'ihe gbasara odimma ako na uche na ihe eji ebi n'obodo.

2. A ga enye ihe gbasara ahu ike umu nwanyi onodu puru iche mekwaa ka ha na ahu ndi ahu ike umu nwanyi doro anya nke oma, dika ndi na ahu maka omumu nwa, tinyere ndumodu kwesiri ndi emesoro n'ike ihe gbasara mmekorita nwoke na nwanyi na kwa ihe katoo ndi ozo.

3. A ga akpachara anya na okwu gbasara oria ndi na efe efe tinyere oria nmiwu n'etiti ndi a chupuru achupu.

**UKPURU NKE IRI ABUO**

1. Mmadu obula nwere ikikere kal ahuta ya dika mmadu n'okpuru iwu obula.

2. Iji kwagide ikikere a maka ndi achupuru achupu, ndi odi n'aka ga enye ha akwukwo ikikere obula di nkpa maka inwe na imezu ikikere a, dika akwukwo eji eje njem, akwukwo na egosi mgbe amuru mmadu, na nke agbam akwukwo. Tumadi, ndi odi n'aka ga ahu na agbanwere ma tinyeghachi akwukwo ndia ma oburu na ha fue mgbe anakwaghari ndia. Nkea ka

ha ga eme na etinyeghi iwu obula n'ekwesighi ekwesi dika I si ka mmadu ndia laghachi na ebe obibi ha na-ebikari ka e nwe ike nye ha ihe ndia.

3. Nwanyi na nwoke ga enwe ikikere inweta akwukwo ndi a di nkpa ma nwekwa ikikere ka enye ha akwukwo ndia n'aha nke aka ha.

**UKPURU NKE IRI ABUO NA OTU**

1. O nweghi onye aga anapu aku ya na ihe ndi onwere n'uzo na ezighi ezi.

2. Aku na ngwongwo ndi achupuru achupu nwere bu ihe a ga echekwa n'onodu obula tumadi n,aka ihe ndia;
    a. ndi ozo ibukoro ha
    b. i bu agha n'udi obula, ihe ike ma obu iyi egwu
    c. i ji ha mere mgbochi usoro ma o bu ebum-na uche ndi agha
    d. I bu agha mmegwara megide ha na
    e. I la ha n'iyi ma o bu i wekoro ha dika ihe ita ahuhu izugbe.

3. Aku na ngwogwo obula ndi gbara oso hapuru kwesiri ka e chekwaa ha n'aka nbibi, na nweghara, nnochi ma o bu I ji ha mee ihe n'ezighi ezi.

## UKPURU IRI ABUO NA ABUO

1. Ndi achupuru achupu ma ha ebi na ulo nkpokodo ma ha ebighi, ekwesighi ka akpa ha oke obula n'ihi nchupu achupuru ha n'inweta ikikere ndi na-eso;
    a. ikikere iche ihe, ime mmoo, okpukpere chi ma o bu nkwenye, echiche uche mmadu na igosiputa onwe mmadu.
    b. ikikere icho onodu maka iwe na oru na isonye na okwu izu ahia na aku na uba.
    c. ikikere mmekorita na isonye na ihe metutara obodo.
    d. ikikere isonye na atumatu nhoputa ndi ochichi na ihe gbasara ochichi obodo na oha na eze, tinyere ike inweta ihe ndi di nkpa iji tinye ihe ndia n'oru na,
    e. ikikere nkwurita okwu n'asusu kwere ha nghota.

## UKPURU NKE IRI ABUO NA ATO

1. Mmadu o bula nwere ikikere icho mmuta akwukwo.

2. Iji kwagide ikikere a maka ndi achupuru achupu , ndi odi n'aka ga-ahu na ndi a, tumadi umuaka, nwetara aguma akwukwo nke iwu machibidoro na akwuyi ugwo obula na oge ota akara. A gu m akwukwo ma o bu mmuta a ga-enye omenala ejiri mara onye, asusu na okpukpere chi obula ugwu kwesiri ya.

3. A ga agba mbo puru iche iji hu na umu nwanyi na umuaka umu nwanyi sonyere na usoro mmuta ndia nke oma.

4. Ihe ndi eji ammuta akwukwo na kuzikwa mmuta ka a ga-eme ka ha rutechaa ndi a achupuru achupuru aka, tumadi ndi na etolite etolite na umu nwanyi, ma ha no n'ebe obibi ulo ntu, mgbe o bula onodu ha kwere.

## NKEJI NKE ANO – UKPURU METUTARA ENYEMAKA MAKA ODI NMA MMADU

### UKPURU NKE IRI ABUO NA ANO

1. Ihe banyere enyemaka na odi nma mmadu nile kwesiri ka emee ya dika iwu na ukpuru metutara mmadu si choo na enweghi ikpa oke.

2. Enyemaka maka odi nma ndi mmadu nke a na-enye ndi achupuru achupu agaghi abu ihe a ga – eweghari, tumadi maka ihe gbasara ochichi ma o bu ndi agha.

### UKPURU IRI ABUO NA ISE

1. Oru mbu gbasara enyemeka maka odi nma ndi mmadu achupuru achupu diiri ochichi obodo ndi nooro onwe ha.

2. Otu mba na mba n’ahu maka odi nma ndi mmadu na otu ndi ozo di nkpa na oru a nwere ike inye oru ha dika onyinye iji kwado ndi achupuru achupu. A gaghi ahuta ihe ndi a dika mmeso ndi iro ma o bu imanye aka n’ihe gbasara mba ndi ozo, kama okwesiri ka ahuta ma n’abata ya na obi ocha. A gaghi aju enyemaka ndi a n’uzo na ezighi ezi, tumadi mgbe ndi odi n’aka enweghi ike, ma o bu ha achoghi inye udi enyemaka achoro maka odi mma ndi mmadu.

3. Ndi nile odi n’aka ga-enye ikikere na enyemaka iji bufere ihe ndi eji enyere odi mma ndi mmadu aka ma hapu ndi o bu oru ha iweta udi enyemaka a ohere ka ha hu ndia achupuru achupu n’egbughi oge.

## UKPURU NKE IRI ABUO NA ISII

Mmadu ndi no n’oru enyemaka maka odi nma ndi mmadu, ugbo ala ha, na ihe ndi ha bu kwesiri ka akwanyere ha ugwu puru iche. Ha agaghi a bu ihe ebusoro agha ma o bu ihe mmeru ahu ndi ozo.

## UKPURU NKE IRI ABUO NA ASAA

1. Otu jikotara mba na mba na ndi ozo di nkpa na oru inyere ndi mmadu aka mgbe ha na-aru oru ha ga eleba anya n'ihe gbasara nchekwa,mkpa na ikikere ochichi na oke ruru mmadu ndi achupuru achupu ma mekwa ihe ndi kwesiri ime maka ya . Na ime nke a, otu ndi a na ndi ozo ga asopuru usoro ehiwere na-elu uwa nile na ihe ntuzi aka maka akpara m agwa.

2. Usoro nke bu uzo bu n'agbanyeghi oru nchekwa diiri otu jikotara mba na mba ehiwere maka oru a, obodo di iche iche nwekwara ike inye ma o bu icho ije ozi ha.

## NKEJI NKE ISE – UKPURU METUTARA NLOGHACHI, IBIGHARI OBI NA IBINYEKWA N' OBODO

## UKPURU NKE IRI ABUO NA ASATO

1. Ezigbo ochichi o bula nwere oru na ozi di oke nkpa ihiwe onodu ma weputa uzo ga eme ka ndi a achupuru achupu laghachi na mmasi nke ha, na nchekwa na ugwu, na ulo ha ma obu ebe obibi ha na ebikari, ma o bu bigharia n' n'akuku ozo na

obodo. Ochichi ndi a ga agba mbo inye aka kwado ibinyekwa n'obodo ndi loghachiri azu ma o bu ndi bighariri na ebe ozo bu ndi achupuru achupu.

2. A ga agba mbo puru iche iji hu na ndi a achupuru achupu sonyere natumatu na nhazi nloghachi ha ma o bu ibighari obi ha na ibinyekwa na obodo.

**UKPURU NKE IRI ABUO NA ITOLU**

1. Ndi achupuru achupu loghachiri n'ulo ha ma o bu ebe ha na -ebikari ma o bu ndi bighariri n'akuku ozo n'obodo agaghi enwe ikpa oke o bula megide ha n'ihi na ha bu ndi achupuru achupu. Ha ga enwe ike isonye n'okwu gbasara ochichi obodo n'onodu o bula tinyere inwe oghere na oru obodo.

2. Ochichi ndi a nwere oru inye aka nye ndi loghachiri ma o bu ndi bighariri obi ka ha wee nwee ike inwetaghachi n'uzo ike kwere ha,aku na ngwogwo ha, ndi ha hapuru ma o bu ndi anapuru ha mgbe a chupuru ha. Mgbe inwetaghachi ihe ndia a n'adighi nfe, ochichi ndi a kwesiri ka ha nye aka ihu na ndi a

nwetara ihe iti aka na – obi ma obu ihe m nweteghachi ozo di mma ma kwesi ekwesi.

**UKPURU NKE IRI ATO**

Ochichi nile ogbasara ga enye ma kwadoo otu jikotara mba na mba, na otu ndi ozo na mbo ha na oru ibakwuru ndi a achupuru achupu iji nyere ha aka laghachi na ebe obibi ha ochie ma o bu ibighari na ibinyekwa n' obodo.